Tụransleshọn Na Nsụnabọ N'igbo: Mpụtara Na Ọdịdị Ya Dịka Ebe Mgbakwasị Ụkwụ Nke

Comfort Nwuka Ezebuilo (Ph.D)
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages,
University of Nigeria, Nsukka
GSM 08062710168
Email: comfort.ezebuilo@unn.edu.ng
Na
Elom, Ejikeme Akepnyi
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages,
University of Nigeria, Nsukka
GSM: 0808019674
Email: elomejikemeakpenye@gmaill.com

Ụmị

N'agbanyeghi na asụsụ bụ akọrọngwaa kacha mkpa na tụransleshọn n'ihi na ọ bụ ya ka e ji eme ya, e nwebeghi nkwekọrita n'etiti ndị nchọcha tụmadị ndị Ọkankụzi ụfọdụ banyere ihe a ga-akpọ tụransleshọn n'asụsụ Igbo. Ọtụtụ ndị mmadu, tinyere ụfọdụ ndị Ọkankụzi na-akọwa tụransleshọn n'asụsụ Igbo dị ka nkwugharị, otu ọzọ kpọrọ ya ntụgharị na mgbanwe, ebe ndị ọzọ na-akpọ ya nsụghari. Kedụzị nke a ga-eso eso? Ọ bụ ụdị ajụjụ a kpatara ọrụ nchọcha a ji lebaa anya na tụransleshọn na nsụnabọ n'Igbo dị ka o si gbasata mpụtara na ọdịdị tụransleshọn. maka iguzobe ezi nkọwa gbasara tụransleshọn ga abụ igba ma dịgide. Ya mere, otu n'ime nsogbu ọrụ nchọcha a na-achọ ọsịsa ya bụ ihe kwesiri ka a kpọọ tụransleshọn tinyere mpụtara na ọdịdị ya n'Igbo. Onye nchọcha agbasoghi atụtụ ọbụla n'ọrụ nchọcha a kama e ji usoro nkọwa iji hụ na a kọwapụtagasịrị ihe ụfọdụ kwesirinụ ịkọwpụta dị ka ha siri dị. A gara n'ihu zipụta ihe nhịahụ dị iche iche a hụtara dị na tụransleshọn ma kọwaa ha. Njiatụle ihe ọmụmụ a sitere na nsinonwe, ajụjụ ọnụ a gbagasịrị ndị mmadụ tụmadị ndị Ọkankuzi, tinyere nke e nwetara n'ọba akwụkwọ nakwa n'ọwara intaneeti. Nchọpụta nchọcha a na-egosi na nsụgharị bụ ụzọ e si agbasaa amamihe site n'otu asụsụ gaa n'asụsụ ọzọ ma site n'ụzọ dị etu a na-eme ka asụsụ na-etonwanye. Ọrụ nchọcha a na-atụnye arọ ka òtù na- na-ahụ maka asụsụ Igbo na mba ụwa dị iche iche gbaa mbọ na-

eguzobe ọgbakọ izugbe ndị Igbo nke mba ụwa na gbalaba amụmamụ asụsụ Igbo, aka nkà na omenaala maka ịtụkọ aro, ịchịkọta echiche, ịkapị okwu ụfọdụ ọnụ, mkpebi nakwa ịkpochapụ ihe mgbagwoju anya n'isiokwu ụfọdụ dị ka tụransleshọn n'Igbo.

1.1 Okpụrụkpụ okwu: Asụsụ, tụransleshọn, nsụnabọ, mpụtara, ọdịdị Mkpọlite

Asụsụ bụ ihe kacha mkpa na nzirita ozi ma ọ bụ n'ime ka echiche na ghọta nke mmadụ rue onye ọzọ aka, ma e dere ya ede ma e kwuru ya n'ọnụ. Nkwurita okwu ma ọ bụ mparịtaụka na-estitekarị n'etu e si were asụsụ rụọ ọrụ nakwa ụdị asụsụ e ji kwue okwu iji mee ka nghọta ya pụta ihe ma zukwa oke. Agbedo (2007) kọwara asụsụ di ka ihe jikọtara ihe niile a na-eme eme. N'aka nke ọzọ, Ezebuilo na Eze (2022) mere ka a mata na asụsụ bụ ụzọ dị mfe kachasị doo anya mmadụ na ibe ya ji ekwukọrịta okwu. Nke a bụ maka na ndị mmadụ ndị bi n'otu obodo na-eji asụsụ emekọrịta. N'ezie, asụsụ bụkarị ngwaọrụ e ji eme ihe ndị ọzọ, ọkachasị ka o siri metụta tụransleshọn. Asụsụ dị oke mkpa n'ederede ọbụla tụmadị n'omume tụransleshọn. Nke a pụtara na e-wezuga asụsụ, edemede na tụransleshọn agaghị adị n'ịhị na asụsụ bụ ya bụ ịsị n'ide edemede nakwa n'ime tụransleshọn.

Ọtụtụ ndi mmadụ, tinyere ndị Ọkammụta na Ọkankuzi atụnyela ọnụ n'ihe gbasara tụransleshọn. N'ime nke a, ha agbalịala oke ha n'ịsụgharị ya n'Igbo. Ufọdụ n'ime ha ndị di ka Gutt (2000) na Ọfọmata (2004) kọwara tụransleshọnn dị ka nkwugharị, otu ọzọ kpọrọ ya ntụgharị ndị dị ka Emenanjo na ndị otu ya (2009), Nwaeze (2014) na Ezika (2022) ebe ndị ọzọ dị ka Mbah na Mbah (2014) na Ezebuilo (2021) na-akpọ ya nsụgharị. Ọ bụrụ na a tụlee nkọwa ndị a, a ga-ahụ ebe ụfọdụ n'ime ha riri mperi. Ọ bụrụ na e were tụranslashọn dị ka nkwugharị, ihe nke a pụtaziri bụ na ọ gbasataghị asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa. Ya bụ, ikwugharị ihe e kwuburu na mbụ ọzọ n'otu asụsụ. Mana tụransleshọn gbasara ikwu otu ihe n'asụsụ abụọ ma ọ bụ karia. N'ihi nke a, ịkọwa tụransleshọn dị ka nkwugharị ezughi oke. N'iga n'ihu, ikwu na tụransleshọn bụ ntụgharị dị njọ karia nkọwa nke mbụ. Mgbe mmadụ tụgharịrị ihe e kwuru, ihe ọ pụtara bụ na ọ bụ azụ ihe e nwere na mbụ ka ọ ga-enyezi. Ọmụma atụ: (1) rie (eat), ntụgharị ya bụ 'erila' (do not eat); 2) jee (go), ntụgharị ya bụ ejela (do not go).

Tụransleshọn n'omimi ya gbasara asụsụ, tinyere nke a, o nwere ike imetụta asụsụ izugbe ma ọ bụ ka ndị si asụ (olundi). Ka o sila dị, ebe ọ bụ na asụsụ bụ mkpọaha e nwetara site na ngwaa *sụ* na ọ ga-aka mma ka a kọwaa tụransleshọn dị ka nsụgharị. N'ederede a, e were nkọwa tụransleshọn n'Igbo ka ọ bụrụ nsụgharị.

Nsụgharị dị ka Emenanjo, Ekwe, Okolie na Kanu (2009) siri kọwa bụ usoro a na-agbaso were esi n'otu asụsụ sụgharia gaa n'asụsụ ọzọ ka e zipụta mpụtara ihe ahụ a na-asụgharị. Ofomata (2004) na-akọwa na nsụghariạ bụ ọkpụrụkpụ ihe ọmụmụ kwesiri ekwesi na onye ọbụla na-amụ asụsụ ga-ama nke ọma. Ọ gara n'ihu kọwa na nsụgharị bụ ị sị n'asụsụ e jiri kwuo okwu were weta okwu ahụ n'asụsụ ọzọ. N'ebe Ofomata nọ, ọ bụrụ na e kwue okwu n'ihe dị ka asụsụ Bekee, ọ bụrụ na a kọwaa ihe ahụ e kwuru na Bekee n'asụsụ Igbo, i mara na e mela nsụgharị asụsụ. Ọzọ, ọ bụrụkwanụ okwu Igbo ka e wetara n'okwu Bekee, ọ ka bụkwa otu nsụgharị ahụ na-aga n'ihu. Nkọwa Ofomata nyere nsụgharị dị ka ị sị n'asụsụ e jiri kwue okwu were weta okwu ahụ n'asụsụ ọzọ dị njọ n'ihi na a naghị eweta asụsụ eweta, kama a na-asụ ya n'ọnụ asụ. Ma Ofomata (2004), ma Emenanjo, Ekwe, Okolie na Kanu (2009) socha na ndị kọwara tụransleshọn n'Igbo dị ka ntụgharị. Mbah na Mba (2014) mgbe ha na-akọwa usoro mmebe okwu n'asụsụ Igbo hụtara nsụgharị dị ka otu n'ime usoro e si enweta okwu ọhụrụ n'Igbo. Ha gara n'ihu kọwaa nsụgharị dị ka ịtapị ahịrị ma ọ bụ ịsụpegharị okwu dị n'asụsụ ọzọ ma mee ka ọ bata n'asụsụ e bu n'uche, dị ka ekwe ntị, Ọkammụta, Ọkankuzi na ndị ọzọgasị. Mbah na Mba (2014) kpọrọ tụransleshọn nsụghari n'ihi na ha kwenyere na a gaghị ahapụ ara, ma ṅụba akpụ. Nke a bụ maka na e nwetara asụsụ site na ngwaa *sụ*.

Asụsụ abụọ ka e ji arụ ọrụ na Naijiriạ. Asụsụ ndị ahụ bụ asụsụ agbụrụ ndị nwe ala na asụsụ Bekee. Asụsụ agbụrụ ndị ala Naijiriạ gụnyere Awụsa, Yoroba, Igbo, Tiv, Idoma, Fụlanị, Edo, Ijọ, na ọtụtụ ndị ọzọ. Aghụrụ ọbụla na-asụ asụsụ ha, na-akụzikwa ha n'ụlọ akwụkwọ ha dị iche iche (Emenanjọ na ndị otu ya, 2009). Asụsụ Bekee n'aka nke ọzọ bụ asụsụ ndị mbịara chịwa (ndị ọcha) chịrị Naijiriạ na mbụ. Ndị mbịara chịwa (Colonial Masters) a mere ka ọ bụrụ sọ asụsụ Bekee ka a ga na-asụ n'ụlọ akwụkwọ, ma mekwa ka ọ bụrụ ya ka a ga-eji na-ede ihe ma ọ bụ na-arụ asụsụ Bekee ka a ga na-asụ n'ụlọ akwụkwọ, ma mekwa ka ọ bụrụ ya ka a ga-eji na-ede ihe ma ọ bụ na-arụ ọrụ n'ụlọ ọrụ dị iche iche. O wee bụrụ na ndị Bekee mere ka agbụru niile bi na Naijiriạ were asụsụ Bekee na-arụ ọrụ gọọmenti niile, ma na-amụ, na-asụ ma na-edekwa asụsụ Bekee.

Taa, n'ala Naijiriạ gbaa gburugburu, asụsụ Bekee bụ asụsụ e kwekọritara ka ọ bụrụ asụsụ nzirita ozi, ịma ọkwa na mkparita ụka. Ọ bụkwa asụsụ e mere ka ndị ọbụla na-asụ, bụ ndị nwekwara asụsụ nke aka ha iji mee ka e nwee ezi ghọta mgbe a na-akpariṭa ụka, ọkachasị mgbe a gwara ọgwa. Ya bụ n'ọgbako ebe ndị mmadụ si n'agbụrụ dị iche iche sonyere. Asụsụ ndị mbịara chịwa a e jirila nwanyọọ baa n'ụmị ọkpụkpụ ndị ala Naijiriạ nke mere ha ji mee ya ọkacha ibe. Ọ bụ nke a mere na asụsụ Bekee bụ asụsụ a kachasi e ji arụ ọrụ na mgbasa ozi, ma na nsụgharị ozi site n'otu asụsụ gaa n'asụsụ ọzọ. ka o sila dị, asụsụ e ji eme nchọcha a bụ asụsụ Bekee na nke Igbo.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ a na-asụ na ndịda na ọwụwa anyanwụ (South East) Naijiriạ. Steeti na-asụ asụsụ Igbo nke ọma na Naijiriạ gụnyere: Steeti Abịa, Steeti Anambra, Steeti Ebonyi, Steeti Enugu na Steeti Imo. E nwekwara Steeti ndị ọzọ a na-ahụta ndị na-asụ asụsụ Igbo mana ha anaghị eji ya eme mgbasa ozi nakwa akụkọ ụwa ha. Ha bụ Steeti Akwa-Ibom, Steet Bayelsa, Steeti Cross-River, Steeti Delta, Steeti Kogi (Akpanya na Igala nke dị n'okpuru ọchịchị gọọmenti Mela), na Steeti Rivers (Odo, 2014). Asụsụ Igbo apụtaghi taa, ọ bụrụlarịị asụsụ asụsụ e ji ede ihe tụmadị n'ule, akụzi ihe, enye akụkọ ụwa, agbasa ozi, eme nsụgharị n'ebe a na-asụ ya. Ọ bụladi ndị ntaakụkọ ma ọ bụ ndị mgbasa ozi n'asusụ Igbo na-ede ozi ha n'asụsụ Bekee tupu ha a sụgharịwa ya n'asụsụ Igbo, iji mee ka ozi ha bụrụ otu ihe. Otu ihe pụtara ihe n'asụsụ Igbo bụ na ọ bụ asụsụ e ji ọtụtụ olu asụ. Ka ihe si kwụrụ, e nwere ọtụtụ ihe ndị a na-elebara anya mgbe a na-eme nsụgharị n'olu Igbo ma ọ bụ n'olu asụsụ ọzọ, ma na ngwugwu a ga-atọpe atọpe adịghị mma ịtụ mbọ. Nke a bụ ihi na a ga-akọwa ya n'uju n'ọdịniihu n'ederede a.

Asụsụ, dị ka o si dị iche ma nwee ọdịdị (structure) dị iche iche, na-ebụkarị nsogbu mgbe a na-eji ya arụ ọrụ, tụmadị mgbe a na-achọ isụfee ihe dị n'otu otu asụsụ gafee n'asụsụ ọzọ iji mee ka ha bụrụ otu ihe a na-ekwu maka ya. Nsogbu a ọ na-ebute mere e ji elebanyere ya anya nke ọma, ọkachasị ma a bịa n'ihe ọmụmụ dị ka na Fọnọlọji, Mọfọlọji, Sintaakisi na Semantikisi. Ihe mere o ji dị otu a bụ na e nwere ike ị bu ihe ọzọ n'obi ma dee ihe ọzọ nke nwere ike iweta nghọta dị iche. Mgbe onye nsụgharị ji olundị zie ozi site na nsụgharị, ndi amaghị olundị ahụ na-efukarị ụzọ mgbe ha na-agụ ya. Mgbe nke a mere, uru nsụgharị na-aba dị ka ụzọ e si agbasa amamihe n'agụmagụ ga-abụzi nke a na-achọ achọ. Nke a dị njo n'ihi na mbunuche e ji guzobe nsụgharị bụ ka a gbasaa amamihe site n'otu asụsụ gaa

n'ọzọ, ọ bụghi ka o duhie ọgụụ ụzọ. Ka o sila dị, echiche dị n'asụsụ nnata ozi ga-abụ otu nyere nke nzimozi. Nke a bụ maka na ọ bụrụ na myiri (ya bụ n'echichie) asụsụ nnata ozi na nke nzịmozi abụghị otu, ị mara na nsụgharị e mere adabaghị adaba.

Ihe kpaliri mmụọ onye nchọcha n'ọrụ nchọcha a bụ ịtụle mpụtara na ọdịdị nsụgharị n'Igbo, tinyere iguzobe ezi nkọwa banyere nsụgharị n'asụsụ Igbo, ma site na ya leba anya n'ihe nhịahụ dị iche iche dị na nsụgharị ma tụpụta aro etu a ga-esi nweta ogbugho nye ihe nhịahụ ndị ahụgasị. Ihe ọzọ soro kpalite mmụọ onye nchọcha ọrụ a bụ na o nwebeghi onye ma ọ bụ òtù dị ka onye nchọcha a si matadobe megoro nchọcha gbasara isiokwu ihe ọmụmụ a na mbụ.

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'usoro nchọcha Nkọwa Sọvee. Ọ bụ nchọcha nkọwa nke e mere iji tụlee mpụtara na ọdịdị nsụgharị na nsụnbọ n'Igbo. Ihe nchọcha a ji wee họrọ usoro nchọcha Nkọwa Sọvee n'ime usoro nchọcha ndị ozọ e nwegasịrị dị ka usoro Sampụlịn nke Sọvee, usoro kwọntitetiivu, usoro Nnwale (Ekisiperimentalụ na usoro ndị ọzọ a kpọghị aha bụ ka a hụ na e mere nchọcha tọrọ atọ na nchọpụta e nwetagasịrị na asụsụ Igbo na nke Bekee dị ịche ịche, tụmadị nke e nwetara n'ọwara intaneeti, akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche nakwa ederede ụfọdụ sitegasịrị na jọnalụ. Njiatụle ọrụ nchọcha a sitegasịrị n'asụsụ Igbo (Igbo izugbe) na nke Bekee.

2. Ntụlegharị Agụmagụ

2.1 Gịnị bụ nsụgharị

Nsụgharị, ma asụgharịrị ya n'okwu ọnụ nkịtị ma e dere ya ede na-arụ ọrụ dị ka ụzọ e si agbasa amamihe na agụmagụ. Nke a bụ na nsụgharị na- ekpughe ozi dị n'asụsụ nzimozi were gaa na nke nnata ozi ka e were ghọta ihe dị n' asụsụ nzimozi. Ọfọmata (2004) kọwara nsụgharị dị ka ị si n'asụsụ e jiri kwuo okwu were weta okwu ahụ n'asụsụ ọzọ. Gutt (2000) na nkọwa nke ya kwuru na nsụghari gụnyere isụgharị echiche nzịpụtara site n'aka òtù n' otu asụsụ were gaa n'ụzọ kwesiri nzipụta ya n'asụsụ ọzọ ma ọ bụ n'otu ọzọ. Ọ gara n'ihu kwukwa na asụgharị bụ ihe na-egosi ka e si kwue okwu, nụ ya ma tapịa ya, nke nsụgharị ya ga-adị ka nke dị n'asụsụ nzimozi.

Newmark (1981) kọwara na nsụgharị bụ ǹkà nke gụnyere mgbalị idochi ozi e dere ede ma ọ bụ okwu e dere n'otu asụsụ gaa n'asụsụ ọzọ. Ya bụ, nsugharị bụ iwere ozi dị n'asụsụ nzimozi gaa na nke nnata ozi. Larson (1998) n'ụzọ ọzọ hụtara nsụgharị dị ka ọmụmụ mkpụrụokwu niile, nhazi okwu, ụdị ọnọdu mparịtaụka nakwa ụdị ọnọdụ omenaala nke asụsụ nzimozi, ịkọwa ya maka iwepụta echiche ya na imepụtagharị otu echiche ahụ site n'iwere mpụrụokwu na nhazi okwu nke kacha mma maka imepụta echiche ahụ n'asụsụ nnata ozi site n' ụdịdị omenaala ya.

Ezebuilo (2021) kwenyere na echiche dị n'asụsụ nnata ozi ga-abụ otu nyere nke nzimozi. Mana ọ gara n'ihu gbakwụnyekwa na nsụgharị bụ ụzọ na-agbanwe, nke mmadụ ga-eji kesaara ndị mmadụ ihe ndị dị n'asụsụ ya nke e nwetara n'ụdị edemede ma ọ bụ ekwumekwu were gaa n'asụsụ ọzọ. Ọ kọwakwara na nsụgharị bụ ụzọ mmadụ si agwa ndị mmadụ ihe o nwere n'ọdịnaala ya. Ezika (2022) lebanyere anya na nsụgharị dị ka echiche na ihe ọmụmụ e nwere n'amụmamụ asụsụ ma kọwa na nsụgharị bụ usoro e ji ezipụtagharị otu ozi site n'iji asụsụ. Site na ntụlegharị ndị a ezipụtarala n'ọrụ a, otu ihe pụtara ìhè na nkọwa ha niile bụ na asụsụ bụ ngwa orụ e ji enweta ihe e bụ n'uche n'ọrụ nzirita ozi.

2.2 Ọrụ ndị e megoro metụtara isiokwu

Soyoye na Banigo (2010) gbasoro atụtụ/tịọrị nke asụsụ nnata ozi "Target Oriented Theory' wee rụrịta ụka n'ihe mbunuche na asụsụ nzimozi bụ ngwa ọrụ e ji enweta ọrụ nzirita ozi. N'ọrụ ha, ha kọwara na onye na-eme nsụgharị kwesiri ilebanye anya nke ọma n' ozi karịa ederede, nke pụtara na ozi a na-ezi dị mkpa karịa akwụkwọ ozi n'onwe ya. Ha gara n'ihu kọwaa na akwụkwọ nzimozi nwere ọdịnaala, asụsụ, nakwa ozi nke ndị ọgụụ na-atụ anya na onye nsụgharị ga-atapịrị ha. Soyoye na Baniho zipụtara nchọpụta ha site n'ikwu na atụtụ akwụkwọ nzimozi (source text oriented theory) na-akacha mma ma ọ bụrụ na ndị nnata ozi bụ ndị ntụcha agụmagụ. Atụtụ nnata ozi bụ maka ndị ọgụụ ndị na-abụghị ndị ntụcha agụmagụ. Ọ bụ eziokwu na ọrụ Soyoye na Banigo bụ na nsụgharị mana ọ dị iche n'ọrụ nchọcha nke a e ji n'aka n'ihi ebe mgbadogasị ụkwụ n'isiokwu ha jiri mee nchọcha ha, tinyere n'asụsụ ebe nchọcha ha hidogasịrị isi. Ebe nke Soyoye na Baniga bụ na n'asụsụ Yoruba, ọrụ nchọcha nke a eji n'aka bụ n'asụsụ Igbo na nke Bekee ka ọ gbadoro ụkwụ. Ya bụ, agwa na ntọala Soyoye na Baniga ha ji rụọ ọrụ

nchọcha ha gbadoro ụkwụ na ndụ ndị Yoruba, ebe nke a eji n'aka gbadọrọ ụkwụ na nke Igbo na Bekee.

Nwaeze (2014) mere nchọcha n'ihe gbasara nsogbu a na-enwe na nsụgharị ilu Igbo gaa na Bekee. O mere ka a mata na mgbe a na-eme nsụgharị ilu, a na-enwe nsogbu dị iche iche. Ọ mekwara ka a mata na mgbe e ji nsụgharị okwu laara okwu were mee nsụgharị, na mbunuche e ji webata ilu ahụ n'okwu agaghị apụta ihe n'asụsụ nnata ozi. N'ime ka ihe ọ na-akwọwa doo anya, o nyere ọmụmaatụ nke ọ kọwara na ọ bụrụ na e kwue "égwú nkịta bụ onye daara ibe ya, ibe ya adaara ya", nke asụgharịrị na Bekee dị ka: Dog's play is each one falling for the other". Na nsụgharị a, echiche e bu n'obi webata ilu a n'okwu apụtaghi ihe. Nsogbu ọzọ ọ hụtara metụtakwara nsogbu inweta echiche kacha yie echiche nzimozi n'ime nke nnata ozi. Ya bụrụ na e nwetaghị, mbunobi e ji webata ya agaghị apụta ihe n'asụsụ nnata ozi. Ka o sila dị, echiche kacha wee yite echiche ilu a n'ederede a n'asụsụ nke nnata ozi bụ 'respect is reciprocal'. Ọ kpatụkwara aka na nsogbụ ndoko okwu n'ihi na asụsụ Bekee na nke Igbo abụchaghị otu . Nke a bụ n'ihi na o nwere ebe ha yitere onwe ha, nwekwa ebe ha dị iche. Nchọcha Nwaeze na ọrụ nchọcha nke a e ji n'aka yietere onwe ha n'ihi na ha abụa gbadoro ụkwụ n'ọdinaala asụsụ Bekee na nke Igbo. Ọzo, ọrụ abụọ a kwenyere na e nwere nsogbu mpụtara echiche dị n'asụsụ nzimozi tụmadị nke kacha yie echiche mbụ bụ nke nzimozi gaa na nke nnata ozi, ma dịkwa iche n'ihe ha jigasiri mere isiokwu ha n'otu n'otu.

Ezebuilo (2021) mere nchọcha gbasara nsogbu ndị a na ahụta mgbe a na-asụgharị akụkọ ụwa n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi: Dream FM na Steeti Enugwu dị ka ebe mgbado ụkwụ. Ọ gbasoghi atụtụ ọbụla n'ọrụ nchọcha ya, kama ọ bụ usoro nkọwa ka o jiri, iji hụ na akọwapụtagasịrị ihe ndị ahụ na-enye nsogbu na nsụgharị dị ka ha siri dị. Ihe o jiri mere njiatụle n'ọrụ ya bụ akụkọ ụwa ndị enyegasịrị site n'ọnwa Oktoba afọ puku abụọ na iri na isii rue n'ọnwa Jenuwari afọ puku abụọ na iri na asaa, ma were asụsụ Bekee dị ka asụsụ nzimozi, ma nke Igbo dị ka asụsụ nnata ozi. Nchọpụta ọrụ nchọcha ya na-egosi na nsogbu kachasị pụta ihe na nchọcha a bụ iji okwu mbite na olundị asụgharị akụkọ ụwa nakwa ndehie nsiede n'ebe ọ dị ukwuu. Ọrụ nchọcha Ezebuilo na nke a eji n'aka ugbu a yitere n'ihi ọrụ nchocha abụọ ndị ahụ bụgbado ọrụ nsụgharị e mere n'asụsụ Igbo ma bụrụkwa nke e webatachara asụsụ Bekee na ha n'otu n' otu. Ọrụ abụọ ndị ahụ gbasokwara usoro nkọwa na ntụcha data ha. Mana ha di iche n'ihe ha jiri megasịa isiokwu ọrụ

nchọcha ha. Ebe Ezebuilo (2021) jiri nsogbu ndị a na-ahụta mgbe a na-asụgharị akụkọ ụwa n'ụlọọrụ mgbasa ozi Dream FM mere isiokwu, ọrụ nke a, a na-achọcha gbadoro ụkwụ na nsụgharị na nsụnabọ n'asụsụ Igbo ma gbadoo ụkwụ na mpụtara na ọdịdi ya tinyere ihe nhịahụ na-adị na nsụgharị

Na nchịkọta, site na agụmagụ niile e lebara anya n'ọrụ nchọcha a, o kwesiri ka onye ọbụla lezie anya mgbe ọ na-eme nsụgharị iji zipụta ya n'ụzọ dị mfe ma nwee nghọta dị ka o si dị na nke nzimozi. Ọ dịkwa mkpa na onye ọbụla na-eme nsụgharị ga-ejisike mata asụsụ ọ na-asụgharị nke ọma nakwa omenaala na ọdịnaala asụsụ o ji eme nsụgharị.

N'ọrụ ntụlegharị ọrụ nsụgharị niile e merela n'ọrụ nchọcha e ji n'aka, o nwebeghi ọrụ a hụrụla e merela gbasara nsụgharị na nsụnabọ n'asụsụ Igbo, ọkachsị nke e mere n'asụsụ Igbo (izugbe ya) nakwa asụsụ Bekee nke gbadoro ụkwụ na mpụtara na ọdịdị nsụgharị

3. Ntụcha ọrụ nchọcha

3.1 Ihe a ga-ebu n'uche mgbe a na-eme nsụgharị ma ọ bụ ihe mgbakwasị ụkwụ na nsụgharị

O kwesiri ịrụtụgasị aka n'ihe ụfọdụ a ga-ebu n'uche ma ọ bụ ihe ndị a ga-agbado ụkwụ mgbe ọbụla a na-eme nsụgharị. Ihe ndị ahụ gụnyere:

(i) Ebe ọ bụ na ọ bụ asụsụ abụọ ka e ji arụ ọrụ na nsụgharị, ọ dị mkpa na onye na-eme nsụgharị ga-abụ a kwaa, a kwụrụ n'asụsụ ndị ahụ e ji arụ ọrụ na nsụgharị a na-eme. Ọ bụrụ na ọ bụ n'asụsụ Bekee ka e si sụfee na nke Igbo, o kwesiri na onye na-eme nsụgharị ga-amata asụsụ Bekee na Igbo nke ọma ka e nwee ezi nsụgharị ga-adaba adaba. Iji maa atụ, onye amaghị Bekee nke ọma agaghị enwe ike asụgharị ahịrịokwu dị ka: 1)"No cross no Crown", said the Principal to the Students' nke ọma n'Igbo. Na nsụgharị ya, ihe onye amaghị Bekee nke ọma ga-ede bụ: Principal gwara ụmụ akwụkwọ ahụ sị: "Ọ bụrụ na obe adighị, a gaghị enwe okpu eze." Mana ihe onye mara Bekee nke ọma ga-ekwu bụ nke a: Onyeisi ụlọ akwụkwọ gwara ụmụ akwụkwọ ahụ sị: Ọ bụ aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ" Ma ọ bụ "Ọ bụ site n'ịta ahụhụ ka e si enweta ihe a chọrọ". Ahịrịokwu nke abụa dị mma, mana nke

mbụ kachasị daba adaba. Ihe nke a pụtara bụ e kwesiri ịghọta mpụtara ahịrịokwu ma ọ bụ nkebi edemede e nyere na Bekee nke ọma.

(ii) Ọzọ, e kwesiri ibu n'uche na ọ bụghị mgbe niile ka e nwere ike ịsụgharị na mkpụrụokwu na mkpụrụokwu. Ọ bụ naanị n'ahịrịmfe ka e nwere ike sụgharịa na mkpụrụokwu na mkpụrụokwu ya adaba dị ka:

		Bekee	**Igbo**
1.	(a)	He went to Aba He gopst prep Aba	O jere Aba
	(b)	She bought some meat She buypst adj meat	Ọ zụtara anụ
	(ch)	He ran a race He runpst Art race	Ọ gbara ọsọ

(iii) Nsụgharị anaghị abụ na mkpụrụokwu na mkpụruọkwu n'ihe gbasara ilu na akpaalaokwu. Ọdịdị ilu na akpaalaokwu nke ndị Bekee na ndị Igbo anaghị abụ otu. E kwesiri ịkpachara anya mgbe a na-asụgharị iu na akpaalaokwu. Ihe a na-eme bụ, e nwe ilu ma ọ bụ akpaalaokwu tụmadị atụmatụokwu ndị ọzọ na Bekee, a ga-eji nke Igbo ya na nke Bekee ahụ nwere otu echiche na mpụtara sụgharịa ya dị ka:

	Bekee	**Igbo**
2. (a)	There is no smoke without fire	Awọ anaghị agba ọsọ ehihie n'efu/Ihe anaghị eme na nkịtị/Ihe mere ede o jiri bee nwụrịm
(b)	A bird in hand is worth two in the bush	Nke onye ji ka
(ch)	A stitch in time saves nine	E mee ngwa ngwa e meghara ọdachị
(d)	To be for-warned is to be for-armed	Agha a kara aka anaghị eri ngwụrọ
(e)	A patient dog eats the fattest bone	Onye ndidi na-eri azụ ukpo

(iv) N'iga n'ihu, ebe e nwere okwuekelesụ, a ga-ejikwa okwuekelesu sụgharịa ya ma a ga-ebu ụzọ kwuo onye kwuru okwu tupu e kwuo ihe o kwuru dị ka:

3. 'Help me," she said, I am dying" ga-abụ "Ọ sịrị, nyere m aka; a na m anwụ anwụ".

(v) Oge dị n'afọ, aha ọnwa na aha ụbọchị ga-adịkwa ka ha dị, ma e nwekwara ike jiri nsụpe Igbo dee ha dị ka:

Bekee **Igbo**

4. Winter Winta
   Summer Sọma
   January Janụwarị
   December Disemba
   Tuesday Tuuzdee,

3.2 Ihe nhịahụ dị iche iche dị na nsụgharị

A bịa na nsụgharị, a na-enwe ọtụtụ ihe nhịahụ n'ụzọ dị iche iche n'ihi na asụsụ nzimozi na asụsụ nnata ozi enweghi otu usoro ma ọ bụ otu ụdị nchekwa nhazi ụtọasụsụ. Ọmụma atụ:

		Bekee	**Igbo**
1.	(a)	That man came	Nwoke ahụ bịara
		Dem man come past	'man SPEC come past
			N SPEC V
	(b)	This woman is tall	Nwaanyị a toro ogologo
		SPEC N Vpre Adj	Woman this tall Vpre tall
			N
2.	(a)	This child	Nwantakịrị a
		Dem N	Child this
			N Dem
	(b)	That book	Akwụkwọ ahụ
		Dem N	Book that
			N Dem

E lee anya n'ihe omụma atụ nke isii (6) (ahịrịokwu) na nke asaa (7) (nkebiokwu) e nyerela n'elu, a ga-ahụta na usoro nhazi mkpụrụokwu na mwube ahịrịokwu n'Igbo na nke Bekee abụghị ótù ihe. Na nke Igbo dịka o dị n'ihe ọmụma atụ nke 6 (a na b) nakwa na nke 7 (a na b), isiokwu (subject) na-ebutere nrụaka (demonstrative) ụzọ na nwube ha, ebe isiokwu (subject) na-esote nrụaka na nwụbe ha na nke Bekee. Ihe nke a na-egosi bụ na na mgbe e nyere mmadụ ederede ka ọ sụ ya n'asụsụ ọzọ, na a na-enwe ihe nhịahụ. Ihe nhịahụ ndị ahụ gụnyere.

Ụdịdị nchekwa nhazi ụtọasụsụ ma ọ bụ Sintaaksi

Sintaaksi bụ ngalaba ihe ọmụmụ na sayensị asụsụ nke na-ekwu ma ọ bụ ezipụta usoro mkpụrụokwu si anọkọ iji wulite okwu nke kacha ogologo ahịrịokwu (Ndimele, 1999). Ya bụ, sintaaksi n'uche dị mbara na-ekwu maka ndọkọ nakwa

usoro mpụrụokwu. Ọ na-eme nke a site n'iwekọta usoro ụda na mpụtara ya, ma zipụtakwa ka mkpụrụokwu si abịakọta ọnụ iji mebe ahịrịokwu dị mma nakwa ka ahịrịokwu si enweta nkọwa ma ọ bụ mpụtara chi ya n'asụsụ.

Asụsụ abụọ ọbụla na-enwe ndịiche n'etiti onwe ha n'ụsoro. Ha na-ahazi okwu ha ka ha si nwee echiche. Ụdị nhazi a na-amalite site na mkpụrụokwu wee ruo na ahịrịokwu. Iji kwado nke a, e nwegasịrị okwu ụfọdụ dị n'olu Bekee na-adịghị na nke Igbo tupu asụsụ abụọ ndị a abịakọta ọnụ. Mgbe ha bịakọtaziri ọnụ, ha bitewere okwu na-adịghị n'ọdinaala ha, ka e nwe ha n'asụsụ nke ọzọ. Ụfọdụ n'ime ndị a gụnyere : 8) church, court, school, hospital, bank, na ndị ọzọ. Ebe e nwetara ndị a n'Igbo, ọ dịzị mkpa ka a chọta okwu ndị Igbo nwere ike ịkọwa ha. Igbo ji usoro o ji na-akọwa okwu na-akọwa okwu ọdịnaala ya wee kọwa ndị ahụ. Ha jikọtara ụlọ n'ihe a na-eme na ya wee kọwa okwu ndị ahụ. A tụlee okwu ndị ahụ e depụtarala dị n'elu, a ga-ahụ na ha niile bụ ụlọ mana ihe dị iche bụgasị ihe a na-emegasị na ha n'otu n'otu. Ọ bụ site n'igbakwụnge ihe a na-emegasị n'ụlọ ndị ahụ n'ogwe okwu ndịahụgasị ka e siri nweta nsụgharị ha n'asụsụ Igbo. Ọ bụ n'uzọ dị etu ahụ ka e siri nwetagasịa okwu ndị dị ka: 9) ụlọ ụka, ụlọ akwụkwọ, ụlọ akụ, ụlọ ikpe, ụlọ ogwụ, na ndị ọzọ a kpọghị aha.

N'agbanyeghị nke a, e nwere ebe ụdị nkọwa a na-enye nsogbu nke mere e ji ebite ha n'ukwu ma sụpee ha n' Igbo di ka :10) Bọọlụ (ball), ọlụta (alter), tebulu (table) windo (window) na ndị ọzọ. Ndị Bekee na-ebitekwa okwu n'asụsụ, asụsụ dị ka :11) olugbu (bitter leaf), ọkwụrụ (okro) na ndị ọzọ. Mana ọ bụrụ n'ahịrịokwụ, ọ dị mkpa na a hazigharị okwu ndị ahụ ka ha wee nwe ike nwe echiche n'asụsụ a na-asụfegharị ha. Lee anya n'ahịrịokwu ndị a na-esote:

	Bekee (Proverb)	**Igbo (Ilu)**
12	Nigeria has fallen apart/ Nigeria is demoralizing	Naijiria aghasaala/Ike agwụla Naijiria
13.	'No condition is permanent/No one knows tomorrow	Echi dị ime
14.	God forbid evil	Chi m ekwela njọ
15.	First come, first serve	Anụ bụ ụzọ na-anụ mmri ọma

Ọ bụrụ na a tụlee ihe ọmụma atụ nke asatọ ruo na nke iri na otu (12 - 15) dị n'elu, a ga-ahụ na n'ịsụgharị ha, na a ghakọtara ahịrịokwu ndị ahụ aghakọta ka ha wee echiche n'asụsụ a na-asụfega ha. Mgbe ụfọdụ, a na-akpọdaba ahịrịokwu isi ala. Oge ụfọdụkwa, okwu kpee azụ na-abịazị buru ụzọ ka e nwee ike nweta echiche n'asụsụ a na-asụfega ya. Mana a bịa na nsụgharị atụmatụ okwu, ọ na-adịtụ iche. Nke a bụ n'ihi na oge ụfọdụ, okwu ndị ga-akọwa ahịrịokwu e nyere nwere ike hapụ ịdị n'ahịrịokwu ga-akọwa ya. Ọmụma atụ:

	Bekee (Proverb)	**Igbo (Ilu)**
16.	'Man is the architecte of his own fortune	Onye kwe, chi ya ekwe
17.	'First come, first serve'	Anụ bu ụzọ na-anụ mmiri ọma
18.	'No condition is permanent'/'No one knows tomorrow'	Echi dị ime
19.	'Make hay while the sun shine'	Weere ehihe chọba ewu oji

A tụlee ahịrịokwu (ilu) ọmụma atụ ndị a nọ n'elu, a ga-ahụ na nsụgharị ha ma ọ bụ nkọwa ha na Bekee enweghị okwu yitere ahịrịokwu ndị nke dị n'asụsụ Igbo e sitere na ya sụfee ha na nke Bekee. Nke a bụ maka na ahịrịokwu ndị ahụ di n'Igbo agaghị ekwe isụfega na Bekee site n'ịgbanwo ọnọdụ mkpụrụokwu mejụputara ahịrịokwu ndị ahụ. Ọzo, a naghị enweta echiche ilu site n'echiche mpụrụokwu dị iche iche mepụtara ya bụ ilu. Ka o sila dị, nsụgharị ilu anaghị enyekebe nsogbu n'ihi na ilu bụ ozuru mba ọnụ. Kama, ihe na-enyekarị nsogbụ bụ ịchọpụta etu asụsụ ọbụla si na-ahazi ilu nke ha iji nye otu echiche nyere n'asụsụ ọzọ n'ụdị ihe. Etu ahụkwa ka ọ dịkwa n'afụmatụ okwu ndị ọzọ dịka akpaalaokwu, mbụrụ na ndị ọzọ a kpọghị aha ha. Ka o si kwụrụ, a tụlee ihe ọmụma atụ (16 – 19) dị n'elụ, a ga-ahụ na echiche ha (nke Igbo na Bekee) bụ ótù ma ọ bụ yitetụrụ mana ahịrịokwu mejupụtara nke ọbụla dị iche iche n'asụsụ abụọ ndị ahụ. Ka o sila dị, site n'ọdịnaala nakwa etu ndị mmadụ si ahụ ụwa, nsụgharị atụmatụ okwu site n'otu asụsụ fee asụsụ ọzọ na-enyewaga nsogbụ.

E wezuga nkọwa ndị e nyerela banyere ụdịdị nchekwa nhazi ụtọasụsụ dị n'elu ederede a, n'asụsụ Igbo, nrụaka na nkọwaaha na-esote aha ma ọ bụ nnọchiaha ha na-arụ aka ma ọ bụ akọwa na-eso. Ebe a kwa ka Igbo siri dị iche a Bekee. Ọmụma atụ na Nrụaka:

		Bekee	**Igbo**
20.	(a)	'That soap is on the chair'	Ncha ahụ di n'elu oche
			Soap SPEC be on high chair
	(b)	'The little boy is good'	Nwata nwoke a dị mma
			Little boy SPEC be good
	(ch)	'Good woman came'	Nwaanyị ọma bịara
			Woman good come past

Ihe kpatara nke a bụ na oge ụfọdụ, atụmatụ okwu dị n'otu asụsụ anaghị adị na nke ọzọ.

		Bekee	**Igbo**
21.	(a)	'A pointed nose man'	Nwoke mpịmpị imi
	(b)	'Good woman	Nwaanyi ọma …

N'ọmụma atụ 20(a - ch), e lee anya na nsụgharị ha n'asụsụ Bekee, a ga-ahụ na a hazigharịrị ha ka o wee daba n'usoro nchekwa nhazi ụtọasụsụ nke Bekee ka o wee nwee nghọta. Nke a bụ n'ihi na ọ bụrụ na a sụgharịa ha site na mkpụrụokwu na mkpụrụokwu etu ha siri sonye n'ahịrịokwu haga, nghọta ha agaghị apụta ìhè.

3.1.2 Nhiahụ na-esite n'otu okwu nwere ọtụtụ echiche

N'asụsụ mba ụwa dị iche iche, a na-ahụta otu okwu nwere ọtụtụ echiche. N'asụsụ Igbo, nke a na-apụtakarị ihe n'ụrọ okwu (pun). Ụrọokwu bụ mgbe e ji otu okwu nwere ọtụtụ echiche ma ọ bụ okwu abụa nwere otu ụda na-egwu egwu. Mana ọtụtụ ụrọ okwu anaghị bụzịkwa ụrọ okwu ma ọ bụrụ na e detue ha edetu. Ya bụ, e nwere ike inwe okwu ma ọ bụ ahịrịokwu bụ ụrọ okwu n'okwukwu/ekwumekwu mana ọ naghị abụ kwa ụrọ okwu n'odide ya. Ọmụma atụ:

22 'Until my labour is gone, in labour I lie'. Na nsụgharị ma ọ bụ n'isụfe ihe ọmụma atụ (22) n'Igbo, ọ ga-enye nnukwu nsogbu maka na mkpụrụokwu a bụ labọ (labour) nwere karịa otu echiche. Nke a ga-eme ka nsụgharị ya nye nsogbu maka na e nwere 'labour' nke bụ maka ọnọdụ ụmụ nwaanyị dị ime na-anọ na ya mgbe ha na-achọ ịmụ nwa, nwekwa labour' nke bụ ịrụ ọrụ dị ka ụmụ akwụkọ na-arụ. Ụdị okwu dị etu a na ndị yiri ya na-enye nsogbu na nsụgharị. Nke a bụ n'ihị na mgbe a na-eme nsụgharị ha, echiche abụọ ma ọ bụ atọ a na-enweta na ya bụ otu okwu na-abụ okwu ọzọ enweghi ótù ụda na-akọwa ha.

3.1.3 Ụzọ a ga-esi gbochi ihe nhịahụ dị na nsụgharị

Ihe nhịahụ ndị ahụ a tụghadoro aka n'ederede a na-ebu onye nsụgharị aka mgbe a na-eme nsụgharị. Mana ka o sila dị, e nwere ike ịhazi ihe nhịahụ ndị ahụ ma ọ bụ inweta ogbugbo ha site n'ọtụtụ ihe ndị a na-esote dị ka: E nwere ike ịgharịkọta edemede ma ọ bụ ahịrịokwu e nyere nke na okwu bidoro ahịrịokwu e nyere nwere ike nọrọ n'etiti ma ọ bụ n'isi njedebe ahịrịokwu a sụfegara ya dị ka:

	Bekee	**Igbo**
23.	Nigeria has fallen apart	'Ike agwụla Naijịrịa
24.	I am feeling sleepy	'Ụra na-atụ m'
25.	Those thieves were caught	'E jidere ndị ohi ahụ

N'aka nke ọzọ kwa, e nwere ike enwee ahịrịokwu nke na-agaghị ekwe nsụgharị site n'igbanwe ọnọdụ mkpụrụokwu mejụpata ahịrịokwu e nyere dị ka:

	Bekee	**Igbo**
26	'A patient dog eats the fattest bone	Onye ndidi na-eri azụ ukpo
27	'Man is the architecte of his own fortune	Onye kwe, chi ya ekwe
28	'How are you in-law?"	Ọgọ kedụ
29	'And the children too?	Ụmụaka kwanụ
30	'Soso/Not good, not bad.'	Ha ghasaa

N'iga n'ihu, e nwere ike, mgbe ihe e nyere ma ọ bụ okwu dị n'ihe e nyere na ekweghi nsụgharị, a na-eme mbibi ma ọ bụ mbite a ga-ebite ya site n'asụsụ a na-asụgharị asụgharị. E nwekwara ike ịhapụ okwu ebitere ebite n'ụzọ abụa. Nke mbụ, ọ bụrụ na ya bụ okwu bụ ahaka, e nwere ike ịhapụ ya etu ọ dị n'asụsụ e nyere dị ka:

	Bekee	**Igbo**
31	Chidi went to market	*Chidị* gara ahịa
		Chidị go pst market
32	'Nnenna is cooking food'	*Nnenna* na-esi nri
		Nnenna Aux-Vpre cook food

Nke abụa, mgbe okwu ahụ na-abụghị ahaaka mana ọ bụ aha e ji mara ya bụ ihe n'ụwa gbaa gburugburu, e nwere ike ịhapụ ya etu ọ dị n'ebe e nwere ya ma ọ bụ e dee ya n'usoro asụsụ a na-ebinye ya bụ okwu dị ka:

	Igbo	**Bekee**
33	Ihe mebere mmiri bụ oxygen (O_2) na hydrogen	'Water is made up of hydrogen and O_2'

Ka o sila dị, mgbe mbunuche onye na-eme nsụgharị bụ ime ka ọgụụ ghọta isiokwu ihe e nyere na-ekwu ma ọ bụ na-akọ, e nwere ike iji nkọwa wee sugharịa okwu ma ọ bụ ahịrịokwu na-enye nsogbu. Ọmuma atụ:

	Bekee	**Igbo**
34 (a)	Church	ụlọ ụka
(b)	School	ụlọ akwụkwọ
(ch)	Yellowish	Edo edo
(d)	Greenish	Ndụ ndụ
(f)	Watery	Mmiri mmiri
(f)	Sandy	Aja aja

4. Nchịkọta Nchọcha, Mmechi na Ntunye aro

4.1 Nchọpụta

Ederede a elebanyelare anya na nsụgharị na nsụnabọ n'Igbo site n'ịtụle mpụtara na ọdịdị ya. Asụsụ abụa e jiri kwara ngwa ọrụ n'ederede a bụ asụsụ Bekee na nke Igbo. Nchọpụta ederede a na-egosi na asụsụ bụ isi a hụrụ kwaba okpu na nsụgharị n'ihi na ọ bụ asụsụ ka e ji eme nsụgharị. Mana rue taa, e nwebeghi ezi nkwekọrịta n'etiti ndị Nkụzi, ndị Ọkammụta, ndị Ọkankuzi tụmadị ndị nchọcha ndị ọzọ n'ihe a ga-akpọ ya bụ tụransleshọn n'asụsụ Igbo. Ka o sila dị, nchọcha a nyere nkọwa doro anya ihe mpụtara ma ọ bụ aha tụransleshọn n'Igbo ga-eji bụrụ nsụgharị. Ọ bụ n'ihi enweghi ezi nkwekọrịta a ka ụfọdụ ndị nchọcha, ndi Ọkammụta tụmadị ndị Ọkankuzi ji akpọgasị ya aha dị iche iche dị ka ntụghari, nkwugharị, mgbanwe ma ọ bụ ntapịa si n'otu asụsụ gaa n'ọzọ nakwa nsụgharị. Mana otu ihe doro anya bụ na nsụgharị ga-aghatarịrị asụsụ abụọ.

Nchọpụta nchọcha a na-egosi na nsụgharị bụ ụzọ e si agbasaa amamihe site n'otu asụsụ gaa n'asụsụ ọzọ ma site n'ụzọ dị etu a na-eme ka asụsụ na-etowanye. N'ụzọ ọzọ, nchọpụta a na-arụtakwa aka na nsụgharị ga-agbatarịrị asụsụ abụa. Ya bụ, na onye nsụgharị ọbụla tosiri ịma nke ọma asụsụ abụọ ndị ahụ

4.2 Mmechi

Na mmechi, ederede a elebanyela anya na mpụtara na ọdịdị nsụgharị na nsụnabọ n'Igbo ma site na ya zipụta ihe ahịahụ di iche iche a hụtara dị na nsụgharị ma kọwaa ha. A rụtụkwara aka etu e nwere ike isi gbochie ihe nhịahụ ndị ahụ ma ọ bụ hazie ha ka nsụgharị wee na-aga n'ihu. Nchọcha a zipụtakwara ihe mgbakwasị ụkwụ ụfọdụ na nsụgharị.

Ka o sila dị, e mere ka a mata na otu n'ime ngalaba ọmụmụ dị mkpa n'asụsụ Igbo bụ nsụgharị. Ihe o jiri dị mkpa bụ ka onye na-eme Igbo dị ka kọọsụ nwee ike ịtapị asụsụ Bekee n'okwu Igbo. Ihe nke a pụtara bụ asụsụ abụọ ndị a dị mkpa nke ukwuu nye onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo. Ya mere, ọmụmụ nsụgharị dị mkpa n'ogogo agụm akwụkwọ ọbụla na Naijịrịa

4.3 Ntụnye aro

Onye nchọcha na-atụnye aro ka òtù na-ahụ maka asụsụ Igbo na mba ụwa dị iche iche gbaa mbọ na-eguzobe ọgbakọ izugbe ndị Igbo nke mba ụwa na ngalaba amụmamụ asụsụ Igbo, aka ǹkà na omenaala maka ịtụkọ aro, ịchịkọta echiche, ịkapị okwu ụfọdụ ọnụ, mkpebi na nkwekọrịta nakwa ikpochapụ ihe mgbagwoju anya n'isiokwu ụfọdụ dị ka nsụgharị n'igbo. Nke a ga-enye aka ịhụ na e nwere ezi nchekwa nye asụsụ Igbo ka o kwudosie ike ma dịgide

Ọzọ, ọ na-atụnyekwa aro ka e webata ọmụmụ nsụgharị dị ka ihe ọmume n'ogogo dị iche iche n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche e nwere na Naijirịa ma tie iwu na nwa akwụkwọ ọbụla ga-emeriri ya dị ka kọọsụ. Nke a ga-enye aka n'ime ka ha mụta ma marakwa asụ asụsụ dị iche iche nke ga-enyere ha aka n'obodo ọbụla ha nwetara onwe ha.

Ihe Edesibia

Agbedo, C. U. (2007). Promoting positive attitudes towards English Language learning in globalization. *Journal of Linguistics and Literary Studies*, 1(2), 25 - 50.

Emenanjo, E. N., Ekwe, B. U., Okolie, O. O. & Kanu, N. (2009). *Igbo maka Junịọ Sekọndịrị 2* (ỌPA BEZIK). Ibadan: University Press Plc.

Ezebuilo, C. N. & Eze, E. A. (2022). Uru asụsụ bara na nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa dị ka o si metụta nje na ọrịa obirinajaocha. *Port Harcourt Journal of History and Diplomatic Studies (PJHDS), 9(2)*, 319 – 335.

Ezebuilo, C. N. (2021). Nsogbu ndị a na-ahụta mgbe a na-asụghari akụkọ ụwa n'ụlọọrụ Mgbasa Ozi: Dream FM, Steeti Enuguwu dị ka ebe Mgbado ụkwụ. *Ideal International Journal of Igbo Scholars Forum, Nigeria, 14(1),* 28 – 47.

Gutt, E. A. (2000). *A Textbook of Translation.* Oxford: Pergamon Press.

Larson, M. L. (1998). *Meaning and Based Translation: A guide to cross language equivalent.* Lanham: University Press.

Mbah, B. M. & Mbah E. E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ.* Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Ndimele, O. M. (1999). *A First Course on Morphology and Syntax.* Port-Harcourt: Emhai Books.

Nwaeze, M. N. (2014). The problems of translating Igbo proverbs into the English language. Ngụpta nchọcha BA, Mahadum Naijiriịa, Nsụka.

Odo, D. C. (2014). Language of hawkers in Nsukka Urban: A sociolinguistic analysis. Ngụpụta nchọcha Ph.D e mere na Ngalaba Amumamụ Asụsụ, Igbo na Asụsu Naijiriịa Ndi ọzọ, Mahadum Naijjriịa, Nsụka.

Ofomata, C. E. (2004). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo nke ndị Seniọ Sekọndịrị.* Enugu : Fomat Publishers (NIG) Ltd

Soyoye, A. & Banigo, O. (2010). Soyinka's Death and Kings Horseman in Translations: A critique of Translation Theory and Practice. *Journal of Nigeria Studies, 1(2), 1–5.* Retrieved from http://www.edy/nigerianstudies/articles/issue1/1-5. accesed on 18/7/2023.